**Ukwe onyinye maka onye nwuru anwu (Igbo offertory hymn for the dead)**

**Refrain**

Nara nara nara aja, biko Chukwu

Aja anyi n'runyere Gi

Maka ndi di ndu na ndi nwuru anwu

Aja nkea anyi ji akwu ugwo mmehie

Medaa Gi obi, maka njo anyi

1. O Dinwenu m, anyi na-ario ka I were ebere nekwasi anya

   N'onyinye anyi n'ebunye gi

   Maka ezumike na nzoputa nwodibo Gi (back to refrain)

2. Nye ya onodu ebebe
   n'etiti ndi nke Gi, azoputagoro
   Nuru, nurunu aririo anyi O Chukwu (back to refrain)

3. Ka imere mkpurobi nwodibo gi ebere
   K'anyi ji achunyere Gi, aja otito nkea
   Nara ya gozie maka ntohapu nw'odibo Gi (back to refrain)

4. Anyi ji obi umeala ario ebube Eze Gi; K'Inye ya ezumike ebebe
   Site n'aja nke a anyi ji akwu ugwo mmehie,
   Medaa Gi obi, maka njo anyi ....END